# JEKOB NIME IJIPT

## Jenesis 45:16-28; 46:1-7, 28-34; 47:1-12

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 39 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Onye nēbu nju-aka nkpuru-ọghigha, ọ bu ezie na ọ nēje ije nākwa ákwá; Ma ọ ghagh iwere iti-nkpu-ọñù biaghachi, nēbu ùkwù-ọka-ya nile" (Abù Ọma 126:6).**

**I Nnabata Nsọpụrụ Fero Nye Ndị Èzínaụlọ Josef**

1. Fero nụrụ akụkọ banyere ụmụnne Josef na nzukọrịta ọñụ ahụ wee nwee obiụtọ, Jenesis 45:16
2. Fero nyere Josef iwu ka ọ kpọta nna ya, Jenesis 45:17-20
3. Ụmụnne Josef naalaghachi n'ala Kenean ịkpọta ndị èzínaụlọ ha niile, Jenesis 45:21-25

**II Njèm ahụ Ịga Ijipt na Nzukọta nke Josef na Nna ya**

4. Mgbe agwara Jekob na Josef dị ndụ, Jekob enweghịike ikwere, Jenesis 45:25, 26
5. Akụkọ akọọrọ Jekob maka imeudo n'etiti Josef na ụmụnne ya, na ihe Fero kwakọtara iji mee ka Jekob soro ha gaa ijè ahụ, mere ka Jekob kwere na Josef dị ndụ, Jenesis 45:27, 28; Abù Ọma 126:1-6
6. Jekob buru ụzọ chụara Chineke àjà tupu o bilie ịga n'Ijipt, Jenesis 46:1-7; 28:16-22; 31:54; 32:9-11; 35:1-3; Ndi Hibru 13:15; Abù Ọma 51:17-19
7. Josef wee zute nna ya mgbe iriarọabụọ na abụọ gasịrị, Jenesis 46:28-30; Ilu 15:20; Ọpupu 20:12

**III Ngọzi N'iru Fero**

8. Josef ziri ụmụnne ya ihe tupu ha eje izute Fero, Jenesis 46:31-34
9. Ọ bụ mmadụ ise nime ụmụnne ahụ ka edugara ịhụ́ Fero, ndịa ka Fero mere ndị nlekọta ndịọlụ, Jenesis 47:1-6
10. Edugara Jekob ka ọ hụ́ Fero, o wee gọzie Fero, Jenesis 47:7-10; Abù Ọma 90:15
11. Èzinaụlọ nke Jekob naenwe ezumike na ọtụtụ iheọma n'ala Ijipt, Jenesis 47:11, 12; Abù Ọma 105:8-23

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Ọ bụ ihe ókéọñụ dịrị ụmụ irinaabụọ nke Jekob mgbe Josef mere ka ụmụnne ya mara ya. Anyị gụrụ n'akwụkwọ na ndị Ijipt na ndị èzínaụlọ Fero nụrụ mkpu ọñụ ahụ, na ọ dị kwa Fero mma ịhụ́ na onye ọ tụkwasịrịobi nke bụ kwa onyeisi n'alaeze ya ezutewo ụmụnne ya ọzọ n'udo.

Fero na ndị Ijipt agaghị échèzọ Josef n'ihi ọlụ ukwuu nke anaapụghị ịkwụụgwọ ya nke Josef lụụrụ ha. Site n'amamihe na nghọta ijikere maka echi nke Josef nwere, na n'ihi na Chineke nọnyeere ya, Josef wepụtara àtụ̀màątụ̀ nke mere na anapụtara ndụ ndị Ijipt na mgbe óké ụnwụ ahụ naemekpà ha arụ. Anyị nwereike ikwu na ndị Ijipt chère n'obi ha na ọ dịghị iheọma ha gaemere Josef nke gaezu ịkwụ ya ụgwọ ihe ọ lụpụtaara ha. Nke a bụ échìchè Fero mgbe ọ kpọrọ Josef gwa ya ka o nye nna ya na ụmụnne ya ebe kachasị mma n'ala Ijipt (Jenesis 12:3).

Ma ozi nke ọñụ a dịkarịrị Jekob a bụ agadi ukwuu ịnabata, bụ́ onye rubigawororị uju ókè ọtụtụ arọ garaaga na nwa ya Josef anọkwaghị ndụ. Obimmapụ mere ya mgbe ụmụnne Josef gbalịrị ịkọrọ ya akụkọ a. O nweghị ihe akọọrọ ya tutu rue mgbe ọ hụrụ ụgbọala nke Fero zitere ka eburu ya na ụmụaka ha gaa ala Ijipt dịka ha chere, rue mgbe óké ụnwụ ahụ gaagabiga.

Ọpụpụ nke agbụrụ a arọpụtara pụrụ ijé n'ala Ijipt bụ otù akụkụ nke àtụ̀màątụ̀ ukwu nke Chineke nwere maka ụwa nke a. Dịka mkwà ekwere ha si dị, ha gaabụ mba dị ukwuu ka oge naaga. N'oge a mgbe ha naetóetó aghaghị ichebe ha site ná mmeso ọjọọ dị icheiche nke agbụrụ mba niile nke ndịiro ndị ka ha ukwuu na ndị Kenean, bụ́ ndị náaghaghị ịkpọ ha asị ebe agbụrụ a kwuru na otù ụbọchị na ha gaewere ala a machụpụ kwa ndị niile bi nime ya. Ụmụ Israel gaabụ ndị ha náeleanya ọjọọ na ndị ha naakpagbu. Ichebe ha, ime ka ha guzosieike dịka mba, ka ha bụrụ ndị azụ̀rụ̀ n'ịlụsiọlụ ike, ka akụziere ha ịkwá ñkà, ọ̀mụ̀mụ̀akwụkwọ na iheọ̀mụ́mà dị icheiche, na kwa ime ka ha náerijuafọ na mgbe óké ụnwụ ahụ, Chineke kàra akà na ha gaeje biri n'ala Ijipt. Site n'ebe ahụ ka Ọ gaesi kpọghachi ha na Kenean mgbe ha nwereike iwere ma ijide Ala ahụ Ekwere ná Mkwà.

Ndị batara n'Ijipt dị nnọọ olenaole ma átụnyere ha n'ọtụtụ narị puku mmadụ ndị Moses duuru pụta. Ha batara n'Ijipt dịka ndị nọ n'agụụ ndị ụnwụ mekpara arụ, ndịa ka emere ka ha rijueafọ site ná njupụta nke iheụtọ na iheọma niile nke ala Ijipt. Ha pụtara, bụrụ ụ̀sụ̀ ndịagha, ha ewerewo kwa àkụ̀ niile nke mba ahụ náamaghị Chineke mee onweha ndịọgaranya, ha sitekwara n'ike nke Chineke nke ndị bụ́ nna ha --- Abraham, Aisak na Jekob --- naemeri n'agha (Ọpupu 12:35-37).

Mgbe ha buliri ijè, ebe mbụ ha kwụsịrị bụ na Bia-Sheba, ọ bụghị náání na ọ bụ ebe kwesịrị ịkwụsị zue ike n'okporo ụzọ ahụ si na Hebron gaa Ijipt, kama ọ bụ ebe emere ka ọ dị nsọ. Dịka Abraham na Aisak mere, Jekob hụrụ mkpà ọ dị na urù ọ bara ibu ụzọ nata ngọzi nke Chineke na nzọ ụkwụ ọ bụla ọ zọrọ. Ọ kwụsịrị ebe ahụ ịchụ àjà nye Chineke. Ọ matara nkeọma urù ọ baara ya mgbe Chineke so ya náaga ijè. Otù ilu ndị mgbeochie tụrụ dabara n'ihe anaekwu n'ebe a nke naagwa anyị sị "Ekpere na nri adịghị egbochi madụ ịga ijè ebe ọ na-aga." Ọ bụrụ na

anyị egeentị n’ihe àtụ̀ nke ndịa náatụ egwù Chineke gosịrị, ghara kwa ịrapụ ịnaajụ Chineke àsè n’ihe niile, anyị gaabụ̀ ndị maara ihe.

Ọ bụrụ na ọ dịrị Josef ike izo ọñụ o nwere mgbe o mere ka ụmụnne ya mara ya, ọ ghaghị ịbụworị ihe siriike nke ukwuu nye ya ichere ọbịbịa nke nna ya na ndị èzinaụlọ ahụ. Emesịa o wee pụọ izute ụ̀sụ̀ụ̀ ndịijè ahụ nke náabịaru ala Goshen nso. Ọ ghaghị ịbụ0worị ihe mmetụ n’obi riinne ịhụ́ nna na nwa ya nwoke ekewapụrụ ogologo oge ka ha zutere ọzọ wee makụọ kwa onwe ha. Akwụkwọnsọ naagwa anyị na Josef kwara ákwá ogologo oge. Nke a bụ njedebe ọñụ nke ogologo oge nke ahụhụ Jekob bụrụ kwa njedebe nke nkewapụ ekewapụrụ Josef n’ebe ndị Chineke nọ. Eleghịanya agadị nwoke ahụ chere n’obi ya na ọ dịghị mgbe ọzọ nime ndụ ya mgbe apụrụ inwe ọgwụgwụ ọñụ nye ahụhụ na nsogbu ya niile dịka n’oge a mgbe ya na Josef, nwa ya zukọtara, n’ihi na o kwuru si “Ka m’nwua ugbu a, mgbe m’husiri iru-gi, na i nọ ndu rue ugbu a.”

Òchíchén’iru echéré n’obí Fero bụ n’ụzọ abụọ. Ụmụ Jekob siri ike, ịga ijè n’ogologo ụzọ mara ha arụ̀, eleghịanya ha bu nnọọ ụzọ ná njikere tupu nna ha ahụ meworo ezi agadi ejikere, n’ihi na ọ gaadị mkpà ka o zue ike ogologo oge karịa. Mmadụ ise nime ụmụnne ahụ ka arọpụtara ka ha nọchita anya ndị ibe ha, ndịa bịara n’iru onyeisi nke náachị obodo ka ha nata ngọzi n’aka ya na nnabata na onyinye afọofufo. Fero kpebiri na ebe kachasị mma n’ala Ijipt ka agaenye ha ma mee ha ndiisi naelekọta anụụlọ niile nke ya, nke a naegosi na ọlụ dị mkpà ka etinyere ha n’aka, n’ihi na ndị obodo ahụ ji anụụlọ ha azụta nri site n’aka ndị naachị obodo (Jenesis 47:17).

Òchíchén’iru nke ikpeazụ bụ́ mgbe eduuru Jekob gosi Fero. Obiebere na ịhụn’anya nke ọnụ náapụghị ịkọ ka onyeisiọchịchị a gosịrị nna onye ahụ elekwasịrị anya n’ala Ijipt n’oge ahụ. “Ubọchi arọ ndu-gi di òle?” bụ ajụjụ ọ jụrụ ya iji wee kụda ihemgbochi niile ahụ dị n’iji mee ka ezi nghọta dị n’etiti ha abụọ. Ọ̀zị́zá nke Jekob zara n’okwu olenaole gosịrị ndụ ahụhụ na nwute na nsogbu. Mgbe Jekob jiri échìchè obi ya leghachi àzụ̀ n’ụbọchị niile nke ndụ ya nke bụ narị arọ na iri atọ o chetara mgbe ọ ghọgburu nna ya wee zuru ngọzi nke Isọ n’ori. Ikekwe mgbe ọ naatụgharị uche n’ihe garaaga, o chetara mgbe ọ gbapụrụ n’ihi óké iwe dị nwanne ya n’obi megide ya wee náachọ ebe mgbaba n’obodo dị anya, n’etiti ndị ọ hụbeghị na mbụ. N’ezie, arọ niile o biri na Haran bịara guzo n’iru ya --- arọ nke ndọgbun’ọlụ, oge ihe náadịghị agazi otú ọ chọrọ, oge ahụhụ nke sitere n’aghụghọ nwanne nne ya ghọsịrị ya.

Échìchè ya gaegosiwo yarị ụmụ ya iri ahụ mgbe ha si na Dotan chịrị uwemwuda ahụ nke tụrụ àgwà nke amakwara nkeọma nke ọbara metọsịrị, náegosi kwa, otú o chérè, otú nwa ya nke ọ hụrụ n’anya na anụọhịa siri lụọ̀gụ̀. Ọ bụ ihe pụrụ ime na nime nwa mgbe ntà nke a fere n’iru Fero, ma ọ dịgharịrị maọbụ ji obi leghachi anya n’ázụ ndụ niile nke ụfụ na ụ̀sụ̀ nke o jiworo ntachịobi bue ọtụtụ arọ̀ ndịa. Mgbe échìchè ihe ndịa nke yiri ọhụ̀ gafesịrị ya o wee chọpụta na n’ikpeazụ èzinaụlọ ya ejikọtawo bụrụ otù nime ịhụn’anya ụmụnne, nke gaeme kwa ka ụbọchị ndụ ya fọdụrụ bụrụ ihe anọzuru n’udo na ezi nchébe.

Ọ garaabụ ihe siriike ugbu a ime ka Jekob kweta na ime ọsọsọ na aghụghọ nrigbu nke okorọbịa ya nke wetara ya óké mkpagbu bụ ihe náezighịezi. Ugbu a o nwereike chọpụta n’ezie mkpụrụ ọjọọ ahụ nke o wetere dịka iheubi n’ihi ejikereghị inye Chineke ohere ka Ọ lụpụta àtụ̀mààtụ̀ ya n’oge nke Ya onwe Ya na n’ụzọ nke Ya! Anyị adịghị enwe urù ọ bụla site n’ibutere Chineke ụzọ maọbụ imeghe ụzọ nke Chineke náemegheghị nye anyị. Ọ ka mma ichèrè oge nke Chineke na ọchịchọ Ya, ọ bụ ezie na ọ naadị ka anaegbochi anyị ịga n’iru mgbe anyị naeme otú a. Emesịa kwa, anyị gaabụ ndị ihe gara nkeọma, site n’ichéré oge nke Chineke. Anyị naenwe ọtụtụ àmà guzosiriike nke ọtụtụ ndịkom na ndịnyom nime Akwụkwọnsọ iji wee kwagide nke a, dịka iheàtụ̀, mmadụ dị ka Abraham, nnanna Jekob; eleghịanya, anyị onweanyị kwa anwapụtawo n’ụzọ dị ntà, nime ndụ a, maọbụ na anyị ahụ́wo ya na ndụ mmadụ ndịọzọ, dịka ndịenyi anyị.

Ka anyị dere duu hụ na Ya onweYa bụ Chineke! Ka anyị mata nkeọma na anyị nọ nime uche Chineke tupu anyị emee ihe ọ bụla. Ka anyị nye ohere ka Onye Kachasị ihe nile elu were akaYa lụpụtara anyị ihe! Nlerueanya nke a gaewetara anyị ezi ọñụ na ojujuafọ n’ụwa nke a, ma n’ikpeazụ̀ ụgwọọlu nke ndụ ebighịebi, nke ịdịukwuu na ebube ya náababeghị nime obi anyị bụrụ kwa ihe anaapụghị ikwupụta ugbu a.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òmume dị añaa ka Fero mere mgbe ọ nụrụ na ụmụnne irinaabụọ ahụ ezukọrịtawo kwa ọzọ?
2. Gịnị kpatara o ji mee omume dị otú a ?
3. Kọwaa nlọtaụlọ nke ụmụnne irinaotù ahụ.
4. Gịnị bụ ihe kwagidere Jekob n’obi nke mere ka o jee ala Ijipt?
5. Gịnị ka Jekob mere tupu ọ gaa Ijipt?
6. Òlee onye ọzọ nke kwụsịrị na Bia-Sheba n’ihi otù nzube ahụ?
7. Kọọ otú Josef na nna ya si zukọta.
8. Aha ọlụ gịnị ka ụmụnne Josef malitere ịlụ n’Ijipt?
9. Gịnị ka Jekob kwuru mgbe edugara ya n’iru Fero?
10. Gịnị ka Jekob na atụ́aka mgbe o kwuru: “Ha di ole-na ole, jọ kwa njọ, bú ubọchi arọ ndum”?